IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jizọs na Lazarọs



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Meri na Mata na-enwe nchekasị. Nwanne ha nwoke Lazarọs na-arịasi ọrịa ike. Ụmụnne ya ndị nwaanyị ahụ ma na Lazarọs nwere ike ịnwụ n’oge na-adịghị anya. Ha zipụrụ ka a kpọọ Jizọs. Ọ hụrụ obere ezinụlọ a si Betani n'anya.



Mgbe Jizọs nụrụ banyere Lazarọs, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, “Ọrịa nke a agaghị eduba n'ọnwụ.” N’agbanyeghị na Jizọs nọ n’ebe dị anya, ọ maara kpọmkwem ihe gaje ime Lazarọs.



Jizọs cheere ụbọchị abụọ tupu ọ gawa Betani.  O wee kwue okwu nke jukwara ndị na-eso ụzọ Ya anya. “Lazarọs anwụọla.  Obi dị m ụtọ na anọghị m ebe ahụ ka unu wee kwere.”  Gịnị ka okwu ndị a pụtara? Gịnị ka Jizọs na-atụ atụmatụ ime?



Mgbe Jizọs
rutere Betani,
Lazarọs anwụọla
ụbọchị anọ. Ozu ya,
nke e ji ákwà ili kechie,
dị n’ime ili yiri ọgba.



Mata gara izute Jizọs. “Nwanne gị nwoke ga-ebilite,” ka Jizọs kwuru. “Amaara m, na mbilite n’ọnwụ n’ụbọchị ikpeazụ,” ka Mata zara. O chere na ya ga-echere ruo ọgwụgwụ oge iji hụ Lazarọs ọzọ. Ma Jizọs bu ihe di iche n’obi.





“Abụ m mbilite n’ọnwụ na ndụ,” ka Jizọs gwara Mata. “Onye kwere na M ga-adị ndụ n'agbanyeghị na ọ nwụrụ anwụ.” Mata kweere na Jizọs. Ọ ma na Ọ bụ Ọkpara Chineke. Ma olee otú Ọ ga-esi nyere Lazarọs aka?

Onye ọbụla nwere mwute n'ihi na Lazarọs anwụọla. Nwanne ya nwaanyị Meri nọ na-ebe akwa. Otú ahụkwa ka ndị enyi ya gbalịrị ịkasi ya obi. Jizọs bekwara ákwá nke ukwu.



Jizọs wee soro ndị mmadụ ahụ gaa n’ili. Otu nnukwu nkume tọgbọkwa n'ofe ọnụ-ụzọ ahụ.



“Wepụnụ nkume ahụ,” ka Jizọs nyere n’iwu. Mata zara sị, “Onye-nwe-anyị, ka o di ugbua, ísì dị nke ukwu, n'ihi na ọ nwụwori kemgbe ụbọchị anọ.”





N'iwu Jizọs, ndị ikom ahụ bupụrụ nkume ahụ. Jizọs wee kpeere Nna ya nke eluigwe. Jizọs na-achọ ịlụ ọlụ ebube dị ukwuu nke na ndị mmadụ ga-amata na ọ bụ Chineke zitere Ya.


“Lazarọs!” ka Jizọs tiri na mkpu. “Pụta!” Ọ ga-abụrịrị na ndị ahụ legidere anya n’ọgba ahụ n’ojujuanya. Jizọs ò pụrụ ime ka mmadụ nwụrụ anwụ dị ndụ?


Ee!
Lazarọs
siri n’ọgba
ahụ pụta, e
jikwa uwe
ili kechie
ahụ ya
niile – DỊ
NDỤ!



“Tọpụ ya,” ka Jizọs kwuru. “Hapụnu ya ka ọ lawa.” Lee ọṅụ e nwere! Anya mmiri ghọrọ ọchị. Jizọs emezuwo okwu ya. Lazarọs dị ndụ ọzọ. Ọ bụ naanị Ọkpara Chineke nwere ike ime ka onye nwụrụ anwụ dị ndụ.

Ọtụtụ ndị hụrụ ọlụ ebube a kweere na Jizọs. Ma ụfọdụ ndị ọzọ kọọrọ ya nye ndị-iro ya - ndị-isi ụlọ nsọ. Ha ji ekworo gbaa izu igbu Jizọs. Mgbe Jizọs matara nke a, ọ pụrụ nwa oge.



Jizọs na Lazarọs

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Jọn Isi nke iri na otu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.